IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Nkwa Chineke kwere Abraham



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Byron Unger; Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Maillot; Tammy S.

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Ogologo oge ka Iju
Mmiri ahụ gasịrị, ndị
mmadụ nọ n'ụwa
wee tụọ atụmatụ.

“Anyị ga-ewu obodo ukwu nke nwere ụlọ elu ruo n’eluigwe,” ka ha kwuru. “Ka anyị wee na-ebikọ ọnụ mgbe niile.” Onye ọbụla wee na-asụ otu asụsụ.



Chineke chọrọ ka ndị mmadụ biri n'ụwa niile o kere. Ya mere, O wee mee ihe pụrụ iche. Na mberede, ìgwè mmadụ niile bidoro na-asụ asụsụ dị iche iche. Chineke nyere ha asụsụ ọhụrụ.



Ndị na-asụ otu asụsụ kwapụrụ. Ikekwe ndị mmadụ tụrụ egwu ndị ọzọ ha na-apụghị ịghọta. N'ụzọ dị otú a, Chineke mere ka ndị mmadụ jupụta ná mba dị iche iche. Obodo ha hapụrụ bụ Babel, nke pụtara Ọgba aghara.



Ka ọtụtụ afọ gasịrị, n’ebe a na-akpọ Ọọ nke ndị Kaldia, Chineke gwara otu nwoke aha ya bụ Abram okwu. “Sinụ n'ala a pụọ,” ka Chineke nyere ya n’iwu. "Gaa n'ala nke m ga-egosi gị."



Abram rubere isi. Chineke wee duru ya gaa Kenan. Seraị nwunye ya na Lọt nwa nwanne ya so ya gaa.



Na Kenan, ma Abram na Lọt bara ọgaranya. Ha nwere nnukwu ìgwè ehi. Ebe ịta nri ezughị maka ọtụtụ anụmanụ ndị ahụ.



Ndị-ọzụzụ anụ-ụlọ Lot wee na-ese okwu megide ndi-ọzụzụ anụ-ụlọ Abram.  Abram wee kwuo, sị: “Ka nsogbu ghara ịdị.  "Anyị ga-ekewa, Lot, buru ụzọ họrọ ala ebe ị chọrọ.”



Lọt họọrọ nnukwu ala ahịhịa juru nke nwere obodo ukwu na obodo nta.  Ọ dị mma n’anya.  Ma obodo ndị ahụ dị nnọọ njọ.





Mgbe Lọt gachara, Chineke gwara Abram okwu ọzọ. "M na-enye gị na ụmụ gị ala Kenan niile ruo mgbe ebighị ebi.” Abram na Seraị enweghị ụmụ. Olee otú Chineke ga-esi mezuo nkwa ya nke a dị ukwuu?



Ndịkom atọ sitere na Chineke bịakwutere Abram na Seraị. “Ị ga-amụta nwa n’oge adịghị anya,” ka ha siri.



Sarai wee chịa ọchị.
O kweghị n'ozi Chineke ahụ.  Ọ dị afọ
iri itoolu.  Chineke wee gwa Abram na a
ga-akpọzi ya Abraham na Seraị ga-abụ Sera.



Chineke gwakwara Abraham na ya ga-ebibi ajọ obodo abụọ ahụ bụ Sọdọm na Gọmọra. Nwa nwanne Abraham, Lọt, ya na ezinụlọ ya bikwa na Sọdọm.

Lọt kwere ịdọ aka ná ntị nke Chineke mgbe ọ bịara, ma ndị di ụmụ ya nwanyị jụrụ isi na Sọdọm pụọ.  Lee ka o si jọgbuo onwe ya na njọ!  Ha ekweghị n'Okwu Chineke.



Naanị Lọt na ụmụ-ya ndịnyom abụa ka a zọpụtara.  Ọkụ na brimstone wee dakwasị obodo ndị ajọ omume niile ahụ.



N'ụzọ dị mwute, nwunye Lọt nupụụrụ ịdọ aka ná ntị Chineke isi, wee leghachi anya azụ ka ọ na-agba ọsọ. Ọ ghọkwara ogidi nnu.



Jehova mezuru nkwa O kwere Abraham na Sera.  Ha wee mụta nwa mgbe ha merela agadi, dị nnọọ ka Chineke kwuru.  Ha wee ṅụrịa ọṅụ nke ukwu mgbe a mụrụ Aịsak!



Ikekwe, Abraham chekwara echiche banyere nkwa Chineke kwere inye ya na ụmụ ya ala nke Kenan ruo mgbe ebighị ebi.



Chineke
ga-emezukwa
nkwa ahụ.
Chineke
na-emezu nkwa
ya mgbe niile.



Nkwa Chineke kwere Abraham

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Jenesis Isi nke iri na otu rue nke iri abụọ na otu

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.” Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.